# Aka Ekpe dị ka Ngwa Ọrụ n'Izipụta Nsirihụndụ Ndị Igbo n'Asụsụ Ha Si n'Aka

**Esther Ogochukwu Akpulu PhD**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Kọminikeshọn**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**
**eo.akpulu@unizik.edu.ng**

**Na**

**Ethel Odinakachi Orji PhD**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Kọminikeshọn**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**
**eo.orji@unizik.edu.ng**

## Ụmị

*Mkpụrụokwu a bụ aka ekpe nwere ụfọdụ echiche e ji ya ezipụta ma e wepụ nghọta o nwere dị ka mkpụrụokwu. Echiche ndị ọzọ ahụ na-egosi etu asụsụ Igbo si egosipụta nsirihụndụ ndị Igbo. Ime aka ekpe n'asụsụ Igbo apụtaghị naanị iji akụkụ ahụ mmadụ nke ya na aka nri na-arụkọ ọrụ ọnụ were me ihe kama o nwere echiche ndị ọzọ ọ na-ezipụta. Ụfọdụ oge, a na-enwe nghọtahie na mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'etiti onye Igbo na onye abụghị onye Igbo n'ihi enweghị nghọta n'ihe kpatara na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe. Ọ bụ ihe mwute na ọtụtụ ndị Igbo enweghị nghọta na nsirihụndụ ndị Igbo dị iche iche. Ihe na-ebute enweghị nghọta a bụ enweghị mmasị n'asụsụ Igbo. Ndị nne na nna anaghịzi asụrụ ụmụ ha Igbo site n'ụzọ dị etu a na-anapụ ụmụaka dị etu ahụ nghọta echiche miri emi nke na-apụta ihe naanị site n'iji asụsụ Igbo akparịta ụka. Ebunmobi nchọcha a bụ ime ka ọha mata na asụsụ Igbo oge ụfọdụ nwere nghọta miri emi ọ na-enwe. Nghọta a na-enyekwanụ aka n'izipụta nsirihụ ndị Igbo. Nchọcha a chọkwara ịchọpụta echiche dị iche iche ndị Igbo ji aka ekpe ezipụta. Atụtụ ọdịmara na atụtụ njirieme ka a ga-agbaso iji gosi na nghọta dị iche iche ndị Igbo nyere aka ekpe n'etiti onwe ha bụ nke ziri ezi. A chọpụtara na ndị Igbo na-ewere iji aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe dị ka nleda anya nye onye a na-enye ma ọ bụ anara ihe. A chọpụtakwara na aka ekpe na-egosi ọtụtụ ihe na nsirihụndụ ndị Igbo dị ka mmadụ iji aka ekpe teta ụra na-egosi na ihe anaghị aga nke ọma na ndụ onye ahụ n'ụbọchị a na-ekwu maka ya. Aro nchọcha a bụ ka ndị Igbo gbasie mbọ ike na-asụ asụsụ ha n'ihi na ọ bụ otu ụzọ ha si pụọ iche n'agbụrụ ndị ọzọ ma bụrụkwa ụzọ ha si egosi nsirihụndụ ha. Nchọcha a ga-abara ndị Igbo niile uru ọ kacha ime ka ha ghọta mkpa ọ dị ha ịsụ asụsụ Igbo nke bụ otu ụzọ ha siri pụọ iche na mba ndị ọzọ nakwa ụzọ ha si egosi etu ha si ghọta ụwa.*

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Nsirihụndụ, Ndị Igbo, Asụsụ, Ọdịmara, Aka ekpe

**Okwu Mmalite**

Agbụrụ ọ bụla n'ụwa nwere ụzọ dị iche iche ha si aghọta ma na-elegara ụwa anya. Ndị Igbo so n'agbụrụ na-eji asụsụ ha ezipụta nsirihụndụ ha. Ọ bụ asụsụ ka e ji eche echiche, n'ihi ya, asụsụ Igbo na-egosi etu ndị Igbo si aghọta ụwa na etu ha si eche echiche. Aka ekpe n'asụsụ Igbo nwere echiche dị iche iche ọ na-ezipụta ma e wepụ nghọta o nwere dị ka mkpụrụokwu. A na-elegara asụsụ mba anya dị ka omenala ha. Nke a pụtara na asụsụ Igbo bụ otu ụzọ ndị Igbo si egosi omenala na nsirihụndụ ha.

Aka ekpe bụ otu n'ime akụkụ ahụ mmadụ nke ya na aka nri na-arụkọ ọrụ. Mpaghara ala Igbo ụfọdụ nwere ihe ha na-akpọ ya n'oluasụsụ ha iji ma atụ, ndị Nkanụ na-akpọ ya 'aka ịcha,' ebe ndị Nsụka na-akpọ ya 'Aka ibite.' Ndị Igbo na-akọwa onye na-eji aka ekpe eme ihe dị ka: iri nri, ide ihe, ijide ngwa ọrụ dị ka 'onye na-eme aka ekpe'. Ya bụ, ime aka ekpe dị ka ndị Igbo si ahụta ya bụ mmadụ iji aka abụghị aka nri ya eme ihe. Mana e wepụ nghọta a, ndị Igbo nwere echiche ndị ọzọ ha na-eji aka ekpe ezipụta bụ ụzọ ndị Igbo si agba nsirihụndụ ha n'anwụ.

Ọnọdụ ịmụta asụsụ Igbo n'ebe ndị Igbo nọ abụghị naanị na ọ na-ejikọ asụsụ na usoro obibi ndụ ndị Igbo kama ọ na-arụtụ aka na mkpa asụsụ dị n'ihi na asụsụ bụ ngwaọrụ e ji ahanye usoro obibi ndụ site n'otu ọgbọ gaa n'ọgbọ ọzọ. Okwudishu (2010) mere ka a mata na asụsụ na omenala adịghị nkewa. Iji mee ka nsirihụndụ ndị Igbo tọọ atọọ, oke na ọrụ dịịrị nwa afọ Igbo bụ ichekwa omenala na usoro obibi ndụ ndị Igbo. Otu ụzọ a ga-esi mee nke a bụ site n'ịsụ asụsụ Igbo malite n'ime ezinaụlọ, ụmụnna rue n'obodo. Ọ bụ oke na ọrụ ndị okenye n'ala Igbo iji asụsụ Igbo zụlite ụmụaka iji hụ na ụmụaka ndị a nwetara ezi ọzụzụ n'usoro obibi ndụ na nsirihụndụ ndị Igbo.

N'ịga n'ihu, Uche (2007) kọwara na asụsụ bụ nsitere n'ọdịbendị nke e ji ezipụta nkwenye, omenala, ofufe, abụ, usoro obibi ndụ, ọdịnala, ọnọdụ, ọgbụgbandụ, nsirihụndụ, echiche na nghọta ụwa tinyere usoro mmekọrịta ndị ọzọ. Asụsụ dị nnukwu mkpa n'izipụta ekpemekpe, ezi agwa, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, echiche na nsirihụndụ ndị Afrịka. N'ihi nke a, o kwesịrị ka e nye asụsụ ezi nchekwa iji hụ na o funarịghị ndị Afrịka.

Isidienu (2020:228) mere ka a mata na asụsụ mba dị ka ụzọ kacha pụta ihe e nwere ike isi nye nghọta ma zipụta nsirihụndụ. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ asụsụ mba ọ bụla ji emekọrịta ka ha ga-eji na-enye ụwa ha nghọta. Ọ bụkwa asụsụ ndị na-asụ ka ha eji ezipụta etu ha si elegara ụwa anya. Ọ bụ eziokwu n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji eche echiche, nye ma zipụta nghọta sitere n'echiche.

Nkọwa Uche (2007) na Isidienu (2020) na-arụga aka n'otu ihe. Uche na-akọwa na ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụta nkwenye, usoro mmekọrịta niile tinyere nghọta ụwa ma Isidienu

na-ekwu na ọ bụ asụsụ mba ọ bụla ji emekọrịta ka ha ji enye ụwa nghọta. Nkọwa ha abụọ gbadoro ụkwụ na ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụta nghọta, nkwenye na etu ndị si elegara ụwa anya.

**Nsogbu Nchọcha**

Mba dị iche iche nke Igbo bụ otu n'ime ha anaghị anabata iji aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe. Onye abụghị nwaafọ Igbo nakwa onye aghọtaghị nsirihụndụ ndị Igbo na-enwe mgbagwjo anya oge onye Igbo jụrụ iji aka ekpe nara ya ihe. Ụfọdụ oge, ọnọdụ a na-eweta nghọtahie n'etiti mmadụ na ibe ya ọ kacha oge onye Igbo na onye abụghị onye Igbo na-emekọrịta. Ọzọ, ọtụtụ ndị nchọcha emeela nchọcha n'ihe gbasara nsirihụndụ nakwa n'asụsụ Igbo ma o nwebeghị nke gbadoro ụkwụ n'izipụta etu ndị Igbo si eji ọdịmara aka ekpe egosi nsirihụndụ ha.

**Ebumnobi Nchọcha**

Nchọcha a bu n'obi ịchọpụta echiche dị iche iche ndị Igbo ji aka ekpe ezipụta. Site na ya ka a ga-esi chọpụta na ihe otu agbụrụ kpọrọ ihe nwere ike ọ gaghị abụ ihe ọ bụla n'agbụrụ ndị ọzọ. Ebunmobi ọzọ nchọcha a nwere bụ ịchọpụta ụzọ dị iche iche ndị Igbo si egosi na ha anaghị anabata aka ekpe n'agbanyeghị na aka ekpe n'onwe ya abụghị "ihe ọjọọ" maka na ọ bụ otu n'ime akụkụ ahụ Chukwu nyere mmadụ; mana e nwere ụfọdụ ọnọdụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya ebe ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe. Nchọcha a dị mkpa n'ihi na ọ gbara mbọ chọpụta etu ndị Igbo si ahụ aka ekpe na ihe kpatara na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe.

**Ntụlegharị Agụmagụ**

N'ebe a, a ga-amalite site n'ịkọwa ọkpụrụkpụ okwu dị n'isiokwu a iji mee ka e nwee ezi nghọta.

**Aka Ekpe**

Aka ekpe bụ akụkụ ahụ mmadụ nke ya na aka nri na-arụkọ ọrụ. Ọ bụ otu n'ime akụkụ ahụ ndị gbara abụọ. Na nsirihụndụ ndị ndị Igbo, aka ekpe abụghị "ihe ọjọọ" n'onwe ya; kama, ọ bụ ọdịmara nke na-egosi nleda anya, ihe ekwesịghị ekwesị ma ọ bụ ihe anaghị aga n'usoro. Ofomata (2012:319) kọwara aka ekpe na nghọta ndị Igbo site n'iji ọdịmara ebe ọ sị, "Otu nzuzo na ndị nọ n'ime ya bụcha ndị omume ha na-abụ omume aka ekpe." O jiri nke a kọwaa ndị otu nzuzo dị ka ndị echiche ha anaghị akwụ ọtọ na ndị agwa ha na-akpa na-arụ afọ ma na-adị njọ na ntị. Ya bụ, ha na-akpa agwa ekwesịghị ekwesị. Ihe nke a pụtara bụ na mmadụ ime aka ekpe na-ezipụta na onye ahụ na-eme ihe ekwesịghị ekwesị. Nkọwa a dabara adaba iji zipụta na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe.

Onukawa (2021) nyochara ọjụjụ ndị Igbo na-ajụ ịnabata aka ekpe. Ọ kọwara na agbụrụ dị iche iche na-agbarụ ihu n'ihe ọ bụla gbasara aka ekpe ọ kacha dị ka o si metụ akụkụ ahụ ndị gbara mkpị bụ aka, ụkwụ na anya. Nchọcha ya chọpụtara na ndị Igbo so n'agbụrụ na-ajụ aka ekpe n'agbanyeghị na o nweghị nsọala o megidere n'ala Igbo.

Uloneme, Ezejindụ, Obi, Ihetunge, Obialor na Akukwu (2014) mere nchọcha nke ebumnobi ya bụ ịchọpụta ihe na e nwere ndị nwoke na ndị nwaanyị nwere ike iji aka ekpe rụọ ọrụ etu ha gaara isi na-eji aka nri arụ ọrụ ma o gbochighị ha ijikwa aka nri arụ ọrụ. Nchọpụta gosiri na ọ dị ụzọ abụọ nwere ike ibute ụdị ọnọdụ a. Nke mbụ na-esite na ndị ime aka ekpe dị n'agbụrụ ha. Ebe nke abụọ bụ n'ihi na omenala Igbo anabataghị iji aka ekpe eme ihe. Nchọcha ha chọpụtakwara na ọtụtụ ndị nwere ike iji aka ekpe rụọ ọrụ n'ụdị aka nri n'enweghị nsogbu ọ bụla bụ ndị ime aka ekpe dị n'ọbara, ndị ihe mere n'aka nri na ndị ọ bụ n'ihi na ha ghọtara na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe. Nke a mere ka ha mụọ iji aka nri na-arụ ọrụ etu ha si eji aka ekpe arụ ọrụ.

Nchọcha Uloneme, Ezejindu, Ihetunge, Obialor na Akukwu (2014) mere dị mkpa ma o mechighị oghere e nwere n'ihi na o metụghị aka n'etu ndị Igbo si eji ọdịmara aka ekpe ezipụta nsirihụndụ ha. Nke mere na isiokwu nchọcha a kwesịrị ilebara anya.

**Asụsụ**

Nsirihụndụ ndị Igbo na-apụta ihe n'asụsụ ha. Okwudishu (2010) kọwara na o nwebeghị nkọwa bụ e jechaa ọ gwụ nke e nyerela asụsụ. O kwuru na ọtụtụ nkọwaokwu na-akọwa asụsụ dị ka ụzọ ndị mmadụ si emekọrịta n'etiti onwe ha dị ka otu mba ma ọ bụ otu agbụrụ bụ nke na-adị n'ọdịmara ha ji ekwu okwu ma ọ bụ ede ihe. Ọ kọwara na n'ezie, nkọwa asụsụ a ziri ezi mana o nwere akụkụ asụsụ o wepụtaghị. N'ebe ndị mba mmiri nọ, nwoke nwunye ya ji ụdị azụ ọ naghị ejibu esi nri were sieere nri na-agwaghị ya agwa nwere ozi nwaanyị ahụ ziri ya n'agbanyeghị na o kwughị ihe ọ bụla. N'ihi ya ka Okwudishu (2010) jiri kọwaa asụsụ dị ka ofe nke mba ọ bụla.

Maduagwu (2008) kọwakwara na asụsụ na-eme ka akụkọala agbụrụ dị ọkpụ. Ebe ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụta omenala, ọ pụtara na ihe metụrụ asụsụ e metụla ndị nwe asụsụ ahụ. Ụdọ jikọtara ihe niile banyere asụsụ ahụ dị ka nkwenye, ọdịnala, ọdịbendị, omenala, ilu, nsirihụndụ ha na ihe niile ha ji eko e nwee nsogbu.

Kanu (2014) nyochara mmekọrịta dị n'etiti ilu Igbo na nsirihụndụ Igbo. Ọ tụlere agụgụala ndị Igbo, mpụtara na ọdịdị nke ilu Igbo. Ọ gakwara n'ihu nyochaa ọdịdị, nsirihụndụ ndị Igbo na etu ilu Igbo si ezipụta nsirihụndụ ndị Igbo. Ọ chọpụtakwara na e weere ilu Igbo dị ka nka na ụzọ a na-esi amata ọka n'ikwu okwu na onye nwere amamihe n'ihe gbasara ọdịnala na mmụta ọkpụ. Ọ gara n'ihu chọpụta na oge e nyere ilu Igbo nghọta miri emi karịa nghọta nsenelu, ọ na-ezipụta etu ndị Igbo si aghọta ụwa. Nchọcha Kanu (2014) na nchọcha metụtara n'ihi na ha abụọ na-akọwa na ndị Igbo na-esi n'asụsụ ha egosi etu ha si eche echiche ma na-aghọta ụwa. Ma e nwere ndịiche n'isiokwu na ebe mgbakwasa ụkwụ. Kanu gbadoro ụkwụ n'igosi etu ilu Igbo si ezipụta nsirihụndụ ndị Igbo ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ọdịmara nke aka ekpe na-ezipụta were gosi etu ndụ Igbo si aghọta ụwa.

## Nsirihụndụ

Nsirihụndụ bụ etu e si elegara ụwa anya. Ezeani (2003) mere ka a mata na ihe na-achịkwa ma na-ejikọ emereme mba ọ bụla bụ etu ha si aghọta ma na-elegara ụwa anya. Isidienu (2020) kọwara na nsirihụndụ bụ mkpokọta etu ndị si eche echiche na etu ha si ahụta ụwa. Ọ kọwara na ọ bụ etu agbụrụ ọ bụla si ahụta ụwa ka ha si aghọta ya. Nke a pụtara na agbụrụ ọ bụla nwere etu ha si hazie nghọta ha nwere banyere gburugburu ha nke na-eme ka na-eme ihe etu ha siri eme. Akpulu (2024) mere ka o doo anya na ọ bụ site n'usoro obibi ndụ agbụrụ ọ bụla ka e si ahụta nsirihụndụ ha tinyere na nsirihụndụ ndị Igbo metụtara ụzọ ha siri hazie usoro obibi ndụ na nkwenye ha. Nke a na-egosi na ọ bụghị naanị ihe agbụrụ kwupụtara n'okwu ọnụ ka e ji amata ha kama na a na-esite n'etu agbụrụ si ebi ndụ amata nkwenye dị iche iche ha nwere.

Kanu (2014) na nkọwa nke ya, kọwara na nsirihụndụ ndị Igbo bụ nghọta sitere n'echiche ndị Igbo dị ka o siri metụ nsirihụwa, nkọmịrịkọ, ilu na ihe ndị ọzọ. O metụkwara ntụgharị echiche na ntụcha usoro nghọta ndị Igbo na etu ha si emekọrịta n'etiti onwe ha. N'echiche Kanu (2014), nsirihụndụ ndị Igbo bụ nghọta ndị Igbo nyere ụwa n'onwe ha. Nke a mere o jiri bụrụ na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe n'ihi na ha kwenyere na ọ bụ aka ezighị ezi bụ nghọta ha nyere ọdịmara aka ekpe site n'etu ha si ghọta ụwa.

Ogugua na Oduah (2013) mere ka a mata na mba ọ bụla nwere nkwenye na ndụ nke e nwere ike ịkọwa dị ka nsirihụndụ. Ha kwuru na ọ pụtara mkpokọta nke etu ndị si elegara ụwa anya, nchịkọta mmerenandụ, etu ha siri ghọta mmerenandụ ha nakwa etu o siri hazie gburugburu ha. Ogene (2013) kọwara nsirihụndụ dị ka etu onye, òtù, agbụrụ na mba si ahụta ụwa ha. E nwere ike ịsị na ọ bụ etu ndị si aghọta ihe na-eme n'okirikiri ha. Isidienu (2018) mere nchọcha n'ebe a ga-ahụ nsirihụndụ ndị Igbo. Ebumnobi nchọcha ahụ bụ ime ka a ghọta etu ndị Igbo si ahụta ma na-elegara ụwa anya. Nchọcha ahụ gbakwara mbọ ịchọpụta ihe kpatara ndị Igbo ji eme ihe ndị ha na-eme na ndụ. Ọ chọpụtara na asụsụ Igbo so n'otu ebe a na-ahụ nsirihụndụ ndị Igbo. Ọzọ, a na-ahụkwa nsirihụndụ ndị Igbo n'akụkọ ifo, nka, ekpere, ilu, aha na nkọmrịkọ Igbo.

Nchọcha Isidienu (2018) yitere nchọcha a n'ihi na ha abụọ metụtara nsirihụndụ ndị Igbo n'asụsụ ha. E nwere ndịiche n'ihi na Isidienu metụrụ aka n'ebe dị iche iche a ga-ahụ nsirihụndụ ndị Igbo ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ n'iji echiche dị iche iche ndị Igbo ji aka ekpe ezipụta n'asụsụ Igbo were gosi etu ndị Igbo si eji asụsụ ha egosi nsirihụndụ ha.

Na nchọcha nke ya, Kanu (2021) nyochara etu asụsụ Afrịka si bụrụ ngwa e ji ezipụta nsirihụndụ Afrịka. Ọ kọwara na ihe gbasara asụsụ kacha metụ nsirihụndụ n'ihi na ọ na-arụga aka n'etu asụsụ ọ bụla si achịkwa echiche, na-ekwughe etu agbụrụ ọ bụla si aghọta ụwa ma na-ahazi mmekọrịta ha na ụwa. N'ihi ya, ịhọrọ asụsụ bụ ịhọrọ usoro echiche na mpụtara sitere n'echiche ahụ. Nchọcha a chọpụtara na asụsụ mba Afrịka na asụsụ

mbịarachịwa kwesịrị ijikọ aka ọnụ were hụ na nsirihụndụ Afrịka nwetara ezi ọnọdụ kwesịrị ya na mba ụwa. Nchọcha Kanu (2021) na nchọcha a yitere maka na ha abụọ na-ekwusi ike na agbụrụ na-esite n'asụsụ ha egosi nsirinụndụ ha. Ha dịkwa iche n'ebe mgbakwasa ụkwụ n'ihi na Kanu mere nchọcha etu asụsụ si bụrụ ngwa Afrịka ji ezipụta nsirihụndụ ha ebe nchọcha a nyochara etu ndị Igbo si eji asụsụ ezipụta nsirihụndụ ha site n'ụzọ dị iche iche ha si eji aka ekpe arụ ọrụ.

Onebunne (2024) lebara anya na nsirihụndụ metụrụ mmụta na asụsụ Igbo dị ka isi a hụrụ kwaba okpu n'iwube ezi mmepe na ezi nwaafọ Igbo. Ọ kọwara na mmadụ inweta mmụta na-agbado ụkwụ n'ụdị usoro mmụta e ji akụziri ya nakwa n'asụsụ e jiri mee nke a malite n'oge onye ahụ bụ nwata. Mmụta na-eme ka mmadụ mara ihe ma nwee nghọta nke ga-eme ka onye ahụ site n'ịbụ onye a na-enye ọzụzụ bụrụ onye na-enye ndị ọzọ ọzụzụ. Ọ chọpụtara na nsirihụndụ ndị Igbo gbasara mmụta na asụsụ Igbo bụ isi sekpụ ntị n'ọzụzụ na n'izipụta ezi nwaafọ Igbo.

**Atụtụ nchọcha**

Atụtụ ọdịmara nke a na-akpọkwa atụtụ ntakshọnizm na-akọwa na echiche ndị nwe asụsụ nyere mkpụrụokwu ha n'ụdị ọdịmara bụ nke kacha daba adaba. Onye tụpụtara atụtụ ọdịmara bụ Herbert Mead. Mead bụ filọsọfa kacha pụta ihe n'atụtụ ọdịmara na ngwụcha senchuri nke iri na itoolu na na mmalite nke senchuri iri abụọ. Haralambos na Heald (1980:544) kọwara na Mead kwenyere na echiche, nghọta na ebe mbikọ mmadụ niile bụ nke e kepụtara site na nkwekọrịta. Mead kwenyere na echiche mmadụ, nhụrụnandụ na omume mmadụ n'ezie na-emetụkarị ọha. Ha na-adị ire n'ihi na ndị mmadụ na-eji ọdịmara emekọrịta ma ihe kacha mkpa bụ na mmekọrịta a na-adị n'asụsụ. O jiri ederede o dere banyere uche, onwe, na obodo were kọwaa etu asụsụ siri dị mkpa n'ọganihu nke ihe ndị a e jiri mara mmadụ. O ji atụtụ a akọwa etu nghọta si apụta ihe site na mmekọrịta ọha.

**Ebumnobi Atụtụ Ọdịmara**

Atụtụ ọdịmara na-akọwa na mpụtara, nghọta na echiche nke ọha ji ọdịmara emekọrịta nyere ihe bụ nke kacha bụrụ eziokwu. Atụtụ a na-akọwa na ọdịmara na-amakwasa nghọta pụrụ iche n'ihe na n'emume ma site n'ụzọ dị etu a kpachapụ nghọta ndị ọzọ ihe ahụ nwere ike inwe. Atụtụ ọdịmara na-ahụ mmadụ dị ka onye ji aka ya ekepụta ezi ọnọdụ mmekọrịta ma bụrụkwa onye ọnọdụ ahụ na-achịkwa.

**Ike Atụtụ Ọdịmara**

Atụtụ ọdịmara na-ahụ mmadụ dị ka onye ji aka ya ekepụta ụwa nke onwe ya. Ọ na-anabata iji mmadụ kpọrọ ihe, na-anabatakwa na mmadụ ikike ịhọrọ ihe ọ chọrọ ma nwekwa nghọta nke aka ya. Atụtụ ọdịmara na-ahụ mmadụ dị ka ihe abụghị naanị ihe nkịtị kama dị ka ihe na-atụnye oke nke ya n'inye ụwa ọ nọ na ya nghọta.

**Mperi Atụtụ Ọdịmara**

Atụtụ ọdịmara riri mperi n'ihi na ọ na-agbadokarị ụkwụ na mmekọrịta n'etiti obere obodo ma ọ bụ n'obere ọnụọgụ ma na-eleghara mmekọrịta ùkwù anya. Ọzọ bụ na e nwere ike ịkọwahie nghọta ọdịmara nwere n'etiti òtù dị iche iche.

Atụtụ a dabara iji tụchaa ederede a n'ihi na echiche na nghọta ndị Igbo ji aka ekpe ezipụta na mmekọrịta n'etiti onwe ha bụ nke dabara adaba iji kọwaa nsirihụndụ ndị Igbo. Ọ pụtara na agbụrụ ndị ọzọ nwere ike ịhụ ma ọ bụ were aka ekpe n'ụzọ ọzọ pụrụ iche n'etu ndị Igbo si were ya. Ịma atụ, agbụrụ dị ka Tivi na steeti Benue anaghị asọ aka ekpe nke na onye ọ bụla n'ime ha nwere ike iji aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe oge ọ bụla na n'ọnọdụ ọ bụla.

**Atụtụ Njirieme**

Onye bụ isi sekpụ ntị wepụtara atụtụ a bụ Ludwig Wittgenstein n'afọ 1953. Onye wepụtara atụtụ a bụ ọkammụta n'emem nchọcha Filọsọfi. O bu ụzọ kọwaa na mkpụrụokwu na ihe a na-ahụ anya bụ ihe na-enye ihe ọbụla nghọta. Nke a pụtara na tupu a kọwaa mpụtara ihe ọbụla, a ga-ebu ụzọ hụ ihe ahụ anya. Mana n'afọ 1953 ka o wepụtara atụtụ nke a bụ atụtụ njirieme iji katọọ nkọwa o nyere na mbụ gbasara etu e si amata echiche maọbụ nghọta mkpụrụokwu nwere.

**Ebumnobi Atụtụ a**

Atụtụ a na-akọwa na nghọta okwu ọbụla na-esite n'etu ndị nwe asụsụ siri hụ asụsụ ahụ. Nke a pụtara na ihe ndị nwe asụsụ chọrọ ka asụsụ bụrụ ka ọ ga-abụ. Ọ na-akọwakwa na nghọta mkpụrụokwu na-esite n'ihe e ji mkpụrụokwu ahụ eme. Ya bụ na mkpebi nghọta mkpụrụokwu na-esite n'etu e si tinye mkpụrụokwu ahụ n'ọrụ. Mkpụrụokwu apụtaghị ihe ọbụla si mmadụ n'ọnụ pụta kama na nghọta ya na-esi n'etu e si kwu ya, ebe e kwuru ya na ihe kpatara e ji si e tu ahụ kwu ya.

**Mperi Atụtụ**

Ọtụtụ ndị ọkammụta na-akọwa na e nwere mkpụrụokwu ụfọdụ ndị nkanụụzụ na-eji arụ ọrụ mana nghọta mkpụrụokwu ndị a anaghị esite n'etu e si were ha rụọ ọrụ.

**Ntinye N'Ọrụ Atụtụ N'Emem Nchọcha a**

N'itinye atụtụ a n'ọrụ ebe a, ọ dị ụzọ ihe atọ dị mkpa na a ga-eme. Ha bụ; ịchọpụta ihe e kwuru, etu e si kwu ya nakwa ọnọdụ e ji kwu ya. A gbasoo usoro a, a ga-ahụ na atụtụ a dabara nke ọma iji ya tụchaa nchọcha a n'ihi na ọ na-akọwa etu ndị Igbo nwe asụsụ Igbo si ahụta okwu a bụ aka ekpe n'ụzọ dị iche iche n'oge ọ bụla e kwuru ya.

**Usoro Nchọcha**

Ụdịdị nchọcha e mere n'ebe a bụ nke nkọwa sọvee na ndịzu. Nke a pụtara ịgụ akwụkwọ dị iche iche ma ndị dị n'ọba akwụkwọ ma ndị dị n'ọwa nzikọrịta ozi e derela metụrụ

isiokwu nchọcha a ma gbakwa ndị mmadụ ajụjụ ọnụ iji nweta ngwa e jiri tụchaa ma mezuo ebumnobi nchọcha a. A gbasoro usoro nchọcha ndịzu were zipụta ngwa nchọcha site n'ịgba ndị mmadụ ajụjụ ọnụ. Nchọcha a ji usoro nsere nhọpụta kenzube were sere ndị a gbara ajụjụ ọnụ gụnyere ndị na-eme aka ekpe, ndị anaghị eme aka ekpe na ndị nwere ndị na-eme aka ekpe. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ bụkwa ụmụafọ Igbo ndị maara asụ asụsụ Igbo nke ọma iji chọpụta ọdịmara ndị Igbo ji aka ekpe egosi ma nweta ebumnobi nchọcha a.

Ebe e mere nchọcha a bụ n'ala Igbo. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ dị iri ise na ise ndị sitere steeti ise: Abịa, Anambra, Ebọnyi, Enugu na steeti Imo bụ obi ndị Igbo iji hụ na o nweghị mpaghara ala Igbo a maghara. A gbara mmadụ iri na otu ajụjụ ọnụ na steeti nke ọ bụla, e sitere n'ọnụọgụ ndị a were sere ụmụ nwoke isii na ụmụ nwaanyị ise. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ nọ n'agbata afọ iri abụọ na anọ rue afọ iri asatọ. E ji dijital rekọda were nweta ụsa ndị a gbara ajụjụ ọnụ nyere nke nyeere nchọcha aka n'ịtụcha ngwa nchọcha. E ji atụtụ ọdịmara na atụtụ njirieme were kọwapụta ma tụchaa ngwa nchọcha n'ụzọ ọ ga-esi kwe nghọta.

**Ntụcha Nchọcha**

**Echiche Ndị Igbo banyere Aka Ekpe**

Mmadụ iji aka ekpe eme ihe karịa aka nri ka ndị Igbo na-akpọ 'ime aka ekpe.' Nkọwa sitere na ndị a gbara ajụjụ ọnụ nke mbụ na-egosi na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe. Dị ka ọtụtụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara, ime aka ekpe abụghị arụ n'ala Igbo kama n'echiche ndị Igbo, ọ bụ aka ezighị ezi dị ka o siri metụ nsirihụndụ ndị Igbo. Ihe karịrị mmadụ iri abụọ na ise a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ndị Igbo na-esite oge nwata dị obere na-akụziri ya ihe bụ nsirihụndụ ndị Igbo ọ kacha mgbe a chọpụtara na nwata ahụ na-enwekarị mmasị iji aka ekpe eme ihe. Atụtụ ọdịmara pụtara ihe ebe a n'ihi na ọ na-akọwa na ọ bụ nghọta agbụrụ ọ bụla nyere ọdịmara n'asụsụ ha bụ nke kacha kwụrụ ekelesu n'iji rụọ ọrụ n'ụdị na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya, ka ọ na-aza.

**Ụzọ dị iche iche Ndị Igbo si egosi Anabataghị Aka Ekpe**

Ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si egosi na ha anaghị anabata iji aka ekpe eme ihe. Ndị Igbo na-ewere iji aka ekpe nye mmadụ ihe ọ kacha onye bụ mmadụ okenye dị ka enweghị nsọpụrụ ma ọ bụ nleda anya. Ọtụtụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na onye ji aka ekpe enye mmadụ ihe nwere ike ọ gaghị ekwu okwu mana ọ bụ ọdịmara na-egosi enweghị nsọpụrụ na amaghị ọdịbendị. Ndị Igbo nwere nkwenye na nsọpụrụ dị mkpa na ndụ mmadụ niile, ma okenye ma ụmụaka. Ha na-agba mbọ ịzụlite ụmụaka ha n'ụdị ha ga-amụta na onye ọ bụla bụ mmadụ nwere ugwu kwesịrị ya dị ka mmadụ. Nke a mere na onye ọ bụla bụ nwaafọ Igbo a zụrụ nke ọma anaghị akpachara anya were aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe. Ụfọdụ ndị na-eme aka ekpe a gbara ajụjụ ọnụ kọwara etu ndị mụrụ ha siri nye ha ntaramahụhụ oge ha dị na nwata n'ihi iji aka ekpe bunye ha nri. Ha kọwara na nke a mere ka ha mụọ ma mụta iji aka nri na aka ekpe na-arụkọ ọrụ

n'agbanyeghị na aka ekpe na-adịkarịrị ha mfe iji me ihe. Mmadụ ruru iri atọ n'ime iri ise na ise a gbara ajụjụ ọnụ kwuru na tupu onye Igbo ewere aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe eleghị anya n'ihi na o nwere ihe o ji n'aka nri ma ọ bụ na o nwere mmerụ ahụ n'aka nri, ọ ga-ekwu sị, 'biko, asọkwala aka' ma ọ bụ 'ọ bụghịkwa aka ekpe.' Nke a na-egosi na onye ahụ ji aka ekpe enye ma ọ bụ anara ihe akpachaghị anya nakwa na o bughị nleda anya n'obi.

Ọzọ, ndị Igbo na-ezipụta aka ekpe dị ka ihe ekwesịghị ekwesị site n'ịjụ ịnabata aka ekpe n'efere nri. Ụsa e nwetara site n'ajụjụ ọnụ gosiri na onye Igbo ga-asị, 'e tinyekwala aka ekpe na nri m' mgbe ọ chọpụtara na mmadụ chọrọ iji aka ekpe sonyere ya n'iri nri. Ọ na-egosi na ndị Igbo ekwenyeghị n'iji aka ekpe eri nri. A na-ahụta iji aka ekpe eri nri dị ka ihe ezighị ezi. N'etiti ndị Igbo, ha na-esite n'oge nwata dị obere malite ịkụziri ya iji aka nri eri ihe nke na-eme ka nwata ahụ sonye n'usoro obibi ndụ ndị ya site n'ịhụ aka ekpe dị ka ihe etosighị iji mee ihe dị ka iri nri, inye ma ọ bụ ịnara mmadụ ihe.

Ọ dị mkpa ime ka a mata na n'agbụrụ ndị ọzọ dị ka ndị Tivi na steeti Benue, iji aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe e nweghị ihe ha kpọrọ ya. Otu nwoke so na ndị a gbara ajụjụ ọnụ kwuru na ezinaụlọ ya ebiela n'Ugba bụ otu obodo nke ọ kọwara dị n'okpuru ọchịchị Logo na steeti Benue. Ọ kọwara na onye ọ bụla, ma nwata ma okenye nwere ike iji aka ekpe rụọ ọrụ n'ụdị iji ya nye ma nara onye ọ bụla ihe oge ọ bụla n'enweghị nghọta ọzọ e nwere ike inye ya. Nke a dabara n'ihe atụtụ ọdịmara na-ekwu na ọ bụ ndị nwe ọdịmara na-enye ya nghọta ọ bụla ha chọrọ tinyere na nghọta ọ bụla ndị ahụ nyere ọdịmara ha kacha daba adaba.

Ka o sila dị, nchọpụta gosiri site n'ụsa e nwetara n'ajụjụ nchọcha, na ụfọdụ mmadụ kwenyere na ọtụtụ ndị ji aka ekpe arụ ọrụ na-eme nke a n'enweghị nsogbu ọ bụla tinyere na a na-ahụ aka ekpe dị ka aka siri nnukwu ike ma na-arụsi ọrụ ike. Ụfọdụ mmadụ a gbara ajụjụ ọnụ ọ kacha ndị na-eme aka ekpe na-akọwa na ọ gbagwojuru ha anya ihe ndị Igbo ji elegara aka ekpe anya dị ka aka ekwesịghị ekwesị iji mee ihe. Ma atụtụ ọdịmara na-ekwu na ọ bụ nghọta ndị ji ọdịmara emekọrịta site n'asụsụ ha nyere ọdịmara ọ bụla kacha daba adaba, nghọta ndị Igbo nyere aka ekpe na mmekọrịta n'etiti onwe ha ziri ezi.

Ụzọ ọzọ ndị Igbo si egosi na ha anaghị anabata aka ekpe bụ site n'ịtụnyere aka ekpe ihe agaghị nke ọma. Na nkwenye ndị Igbo, mmadụ iji aka ekpe teta ụra pụtara na ụbọchị ahụ amaghị mma nye onye ahụ ma ọ bụ na ụbọchị ahụ adighị etu o kwesịrị ịdị. Ụfọdụ oge, o nwere ike ịpụta ihe n'ụdị iwe oke iwe oge ọ dighị ihe doro anya kpatara iwe ahụ. O nwekwara ike ịdị n'ụdị mgbakasị ahụ ma ọ bụ tinye onye dị etu ahụ obi erughị ala. Site n'ụsa ndị a gbara ajụjụ ọnụ nyere, oge mmadụ na-akpa agwa n'ụdị abụghị etu o si eme na mbụ, a na-asị na onye dị etu ahụ ji aka ekpe teta ụra. N'ọnọdụ dị etu a, onye a na-asị na o ji aka ekpe teta ụra nwere ike ịma na agwa ya ma ọ bụ ụdịdị ya n'ụbọchị ahụ adighị etu ọ na-adị, nwekwaa ike onye ahụ agaghị achọpụta ganye mgbe o chere echiche banyere onwe ya.

Ọzọ, oge onye Igbo nwere atụmatụ ọ chọrọ ịbagide ma chọpụta na ihe ahụ ọ chọrọ ime na-agba ya aka ekpe, ọ pụtara na o nweghị obi ịnụ ọkụ n'ịbagide ime ihe ahụ o bu n'obi. Ime ihe ahụ na-agba ya ngana. Ọ pụtara na atụmatụ ahụ agaghị amịta ezi mkpụrụ. Ụsa sitere n'ajụjụ a gbara kọwara na ụfọdụ oge, na ndụ onye Igbo, mgbe o nwetara nghariịpụ n'atụmatụ ọ bagidere, ọ na-eche n'echiche ya na ọ bụ n'ihi na atụmatụ ahụ gbara ya aka ekpe malite na mbụ. Iji maa atụ, oge mmadụ chọrọ ịchọga enyi ya n'ụlọ ma ọ gbara ya aka ekpe (ngana), o mechaa gaa ma ọ hụghị enyi ya n'ụlọ, onye dị etu a ga-asị na ọ bụ n'ihi na onye ọ chọrọ ịhụ anọghị n'ụlọ mere na ịchọga ya gbara ya aka ekpe na mbụ.

**Ụzọ ọzọ Ndị Igbo si ezipụta Ọdịmara aka ekpe na-abụghị Njụ**

Ndị Igbo nwekwara echiche ha na-eji aka ekpe ezipụta nke abụghị njụ dị ka 'aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe a kwọọ aka nri.' Na nkọwa mmadụ iri ise ndị a gbara ajụjụ ọnụ, mgbe ọ bụla e kwuru okwu dị etu a, onye abụghị onye Igbo nwere ike chee na ihe a na-ekwu bụ mmadụ iwere aka nri saa aka ekpe nke ọma na mmiri, e mesịa, e wekwara aka ekpe saa aka ekpe nke ọma na mmiri ma nke a abụghị mpụtara okwu a. Aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe akwọọ aka nri pụtara na i meere mmadụ ihe ọma, onye ahụ emekwaara gị. Ndị nyere ụsa n'ajụjụ nchọcha kọwara na ndị Igbo kwenysiri ike na mmadụ inyere ibe ya aka nakwa na ọ dị mkpa mmadụ inwe ezi mmekọrịta n'etiti ya na onye ọzọ.

**Nchịkọta Nchọpụta**

Nchọcha chọpụtara na ndị Igbo nwere echiche dị iche iche ha na-eji ọdịmara aka ekpe ezipụta nke na-egosi etu ha si enye ụwa ha nghọta. A chọpụtara na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe n'agbanyeghị na ọ bụghị arụ ma ọ bụ nsọala n'ala Igbo. Ha na-ajụ aka ekpe n'ihi na ha na-ahụ ya dị ka aka ekwesighị iji nye ma ọ bụ nara mmadụ ihe tinyere na ọ na-egosi nleda anya. Nchọpụta gosiri ụzọ dị iche iche ndị Igbo si egosi na ha anaghị anabata aka ekpe dị ka ịjụ ịnara mmadụ ihe mgbe onye ahụ ji aka ekpe enye ma ọ bụ eweta ihe. Ndị Igbo anaghịkwa anabata ikwe aka ekpe ma ọ bụ iji aka ekpe ana aka. Ọzọ, a chọpụtara na ọtụtụ ndị na-eme aka ekpe na-anwa oke ha mụta iji aka nri arụ ọrụ n'ihi na ndị Igbo anaghị anabata aka ekpe. Nchọpụta gosiri na ọdịmara ndị Igbo ji aka ekpe ezipụta bụ nke metụrụ naanị ndị Igbo. Nke a dabara n'ihe atụtụ ọdịmara na njirieme na-akọwa n'ihi na atụtụ ndị a kwadosiri ike na ọ bụ nghọta ndị nwe asụsụ nyere ọdịmara n'etiti onwe ha bụ nke kacha bụrụ eziokwu. A chọpụtakwara na o nwere ụzọ ndị Igbo si egosi ọdịmara aka ekpe nke abụghị njụ dị ka ha na-ekwu n'okwu "aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe a kwọọ aka nri" nke ha ji ezipụta ezi mmekọrịta.

**Mmechi**

Nchọcha a emeela ka a mata na nsirihụndụ ndị Igbo na-apụta ihe n'asụsụ Igbo nke ha ji egosi nkwenye ha dị iche iche. N'agbanyeghị na ụfọdụ mmadụ weere aka ekpe dị ka aka na-arụsi ọrụ ike, nchọpụta gosiri na ndị Igbo na nghọta ha na-ahụ aka ekpe dị ka aka abụghị ihe ọjọọ n'onwe ya, kama ha kwenyere na iji aka ekpe nye ma ọ bụ nara mmadụ

ihe na-egosi nleda anya n'akụkụ onye e ji ya nye ma ọ bụ nara ihe. Ịjụ aka ekpe bụ otu ụzọ ndị Igbo si egosi nsirihụndụ ha, n'ihi ya ọ dị mkpa ịsọpụrụ echiche a ndị Igbo ji aka ha were nye ọdịmara aka ekpe maka na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza. Ọ dị mkpa ka ndị Igbo gbasie mbọ ike na-asụ asụsụ ha, were ya na-azụlite ụmụaka ha n'ihi na ọ bụ site n'ịsụ asụsụ Igbo ka ha ga-esi na-amụta ma na-aghọta nsirihụndụ ha ndị na-apụta ihe n'asụsụ. Ndị Igbo kwesịrị ịkwụdosi ike na nsirihụndụ ha ghara iji ụjọ mgbanwe nke oge were tufuo ihe ndị ha jiri kwụpụ iche n'agbụrụ ndị ọzọ. Ọ dịkwa mkpa ikwu na nchọcha a abụghị e jechaa ọ gwụ n'ihe gbasara ọdịmara aka ekpe na nsirihụndụ ndị Igbo. Ya mere, ndị nchọcha n'ọdịnihu ga-agbado ụkwụ na nke e mere ebe a were gaa n'ihu dị ka ịchọpụta myiri na ndịiche dị n'ọdịmara ndị Igbo ji aka ekpe ezipụta na nke ndị agbataobi ha ma ọ bụ nke ndị mba ọzọ.

**Edensibịa**


Akpulu, E. O. (2024). Nsirihụndụ Ndị Igbo gbasara Agamnihu. N' *Igirigi: A Multi-Disciplinary Journal of African Studies*. Vol. 4. No.1, Pp. 83-90.

Ezeani, G. I. (2003). "Omnitocracy: A Discourse of the IgboWorld-View and Its Application to their Socio-Political Life." N' *Ogirisi: A New Journal of African Studies.* Umeogu, B. (ed) Vol. 1 No 1, Pp. 33-43.

Haralambos, M. & Heald, R. (1980). *Sociology (Themes and Perspectives)*. Slough: University Tutorial Press.

Isidienu, I. C. (2018). "Ebe a Ga-Ahụ Nsirihụndụ Ndị Igbo." *N'Odezuruigbo: An International Journal of Igbo, African and Asian Studies*. Vol. 2. No.1, Pp.1-16.

Isidienu, I. C. (2020). "Language and Development of Igbo Culture." *N'Odezuruigbo: An International Journal of Igbo, African and Asian Studies*. Vol. 4. No. 1, Pp. 226-242.

Kanu, I. A. (2021). "African Language As a Tool-Box for African Philosophy." A Dissertation presented to the Department of Philosophy. Faculty of Arts and Humanities. Selinus University of Science and Literature.

Kanu, A. I. (2014). "Igbo Proverbs as Embodiments of Igbo-African Philosophy." *International Journal of Humanities and Social Science*. Vol. 4. No. 1, Pp. 164-168.

Maduagwu, C. (2008). "Save Igbo Language." N'*Indigbo Journal*. Vol 6. No. 1.

Ofomata, E. O. (2012). *Omenala na Ọdịnala Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Ogene, M. S. (2013). "Folklore and Cultural Indices in Igbo Oral Literature." N'*A Journal of Igbo Scholars Forum*. Vol. 1. No. 1, Pp.172-180.

Ogugua, I. na Oduah, I. C. (2013). "The Rights of Man in Igbo Society: A Philosophical Reflection." N' *A Journal of Igbo Scholars Forum*. Vol. 1. No. 1, Pp.151-171.

Okwudishu, A. U. (2010). Revatilization of Igbo Language as Revival of Igbo Values. In *Proceedings of the National Seminar on Revival of Igbo Values* Okolo, B. A. (ed) Pp. 43- 60.

Onebunne, J. I. (2024). Igbo Philosophy of Education and Igbo Language: Critical

Indices for Integral Development and Authentic Igbo Person. Na *Nnabuihe: Journal of Philosophy*. Vol.7. No. 3.

Onukawa, E. N. (2021). "Leftwardness: An Aspect of Prohibitions in the Igbo Culture." *Anthropos*. www.researchgate.net

Uche, O. C. (2007). Preservation of African Cultural Values in the 21st Century. In Ojiakor, N. (ed) *Sallient Issues in Nigerian History, Culture and Socio-Political Development*. Pp. 75-87.

Uloneme, G. C., Ezejindụ, D. N., Obi, A. U., Ihetunge, C. J., Obialor, A. & Akukwu, C. D. (2024). "Incidence and Gender Distribution of Ambidexterity among the Igbos of Nigeria." *N'International Journal of Current Phamacetical & Clinical Resaerch*. Vol. 4. No. 2, Pp. 123-125.